# ANAGHỊ ENWEZI *UTO NTOCHI*: OKE NSOGBU GBARA AFỤỌNỤ NA-ECHE ỤMỤIGBO NA ALA IGBO AKA MGBA OGE UGBUA (Lack of *Geneological Identity*: The Bane of the Present Igbo People and Igbo Society)

**Rich. N. Ekegbo, Ph.D.**
**Tansian University, Umunya**
**Email:fada.rich@gmail.com**

**ỤMỊEDEMEDE**

*Ọtụtụ ihe nwereike ịgbagwoju ihe ọbụla na-eku ume anya. Ihe ọbụla gbagwojuru ihe ọbụla na-eku ume anya nwekwara etu ihe ahụ ihe gbagwojuru anya si emeso ihe ahụ gbagworuru ya anya omume. Kaosiladị, e nwere ụdị ihe mgbagwojuanya nwereike ịbịakwute mmadụ, maọbụ ndị mmadụ, nke ụfọdụ n'ime ha nwereike ịbụ ihe mgbagwojuanya ịbịakwute ndị mmadụ na ntụmadị, ebe ụfọdụ n'ime ha bụkwanụ, ihe mgbagwojuanya sitere n'ihe e kwesighi ime e mere, maọbụ ihe a hapụrụ ime etu na oge e kwesiri ime ha were ruo na ihe ahụ emebiwezie ihe ọzọ, ma mebiwezie ihe n'ụdị dị ukwu, n'ụdị ọnụ apụghị ịkọwapụtazi; n'ụdị a pụghịzi idozili edozi, ma bịakwazie bụrụ nnukwu ọgbatauhie maọbụ ihe mweghachiazụ nke agamnihu mmadụ, ndị mmadụ, obodo, agbụrụ, maọbụ mba ala, kpatara ndị Igbo ji asị na mgbochi ọrịa ka ọgwụgwọ ya. Otu n'ime ihe ndị dị etu a mmebi nke ndị mmadụ, obodo, agbụrụ maọbụ mba ala nwereike isite na ya nwe ihe mgbagwojuanya, bụ a naghị enwezi uto ntochi, nke bụ ihe na-apụtazi ihe n'ụdị ndụ nke ụmụ Igbo na-ebizi dịka ndị Igbo, na dịka agbụrụ Igbo. Ileghara uto ntochi anya eweghachila Igbo azụ n'ụzọ dị iche iche, nke na a kpachaghị anya, tupu ụmụ Igbo amata ihe ọ na-eme ha, e nweghizi ihe ha nwereike imelizi. Nlegharaanya ndị Igbo, ụmụ Igbo na agbụrụ Igbo na-eleghara uto ntochi abụrụla nke onye Igbo ọbụla na-eme, bụrụkwa ihe a na-achọpụta site n'ọdịbendị ha, omenala ha, usoro obibi ndụ ha, ma na-egosikwa ya n'ụzọ pụrụ iche site n'etu ha si emeso asụsụ Igbo omume. Ndị Igbo na-egosikwa a kpọzighi uto ntochi ihe ọbụla n'ogo dị iche iche, n'ebe ndị dị iche iche, na n'ọnọdụ ha dị iche iche. Ọtụtụ ihe na-akpata nke a. Dịka e si mara, ọtụtụ ụmụ Igbo amaghị nke a. Ụfọdụ maara, mana ha amaghị ebe mmiri siri banye n'opi ụgbọgụrụ, ha amaghị ebe mmiri siri mawa ha, maka ndị maarala na mmiri na-ama ha, nke bụ na e kwesiri ime ka ndị amaghị ihe na-eme mara, ka ndị maara ihe na-eme ghọtawanye nsogbu ahụ ka nsogbu, na ka ndị maara, ghọtarala ka nsogbu so anaghị enweghizi uto ntochi ha, soro lebanyewe anya, n'ihe a ga-eme were sụọ abala*

*nrị n'ụdị n'ọbụrụgodu na a pụghị imezicha ihe merela mmebi, e nwereike gbochilatawa nsogbu nke e nwezighi uto ntochi, nke na ọ bụrụgodu na anya mmọnwụ adịghịzi ebe ọ dịbụ, ka isi mmọnwụ n'onwe ya hapụ ịdachapụ adachapụ, n'ihi na e gbubie zochiwe, ọ naghị ezuzikwa.*

**Nkọwa ihe bụ Uto Ntochi n'Ụzọ Miri Emi**
**Okwu Mmalite**

Ka mmadụ na-eto, e nwere ndị ha na ya na-emekọ, e nwere akụkụala mba onye ahụ si, nke mekwara na n'ihi akụkụ ala mba onye ahụ si, a ga-enwekwa ndị ha na ya ga-esirịrị n'otu akụkụ ahụ, nke ga-emezi ka echiche ha, omume ha, ewumewu na ihe ndị ọzọ ga yitere nke ya na nke ha bụrụ otu ụdị. Nke a ga-eme ka a na-ahụ ha dịka ihe a na-akpọ otu agbụrụ. Nke a mere e ji nwee ọtụtụ agbụrụ dị iche iche, n'akụkụ ala mba dị iche iche n'ime ụwa. "*An ethnic group is a group of people whose members identify with each other through a common heritage, often consisting of a common language, culture, religion, ideology or geographical area.*"[1] N'ezie, site na nkọwa ihe bụ otu agbụrụ dịka o si pụta ihe ebe a, e nwere ọtụtụ ihe ndị na-ejikọ ndị niile bụ otu agbụrụ, ndị gụnyere ịbụ ndị sitere n'otu ndụdụgandụ, nke ihe ndị na-asọkwụnye isi na ya gụnyere otu asụsụ, (n'agụpụghị olumba dị ga na ya), otu omenala, otu ekpemekpe nwere usoro ofufe yitere ibe ya, otu usoro echiche na ewumewu yitere ibe ha, otu ụdị ọdịbendị, otu mpaghara ebe obibi n'ime mba ala e nwere otu agbụrụ ahụ a na-ekwu maka ya. Etu ihe a si bụrụ eziokwu maka agbụrụ dị iche iche e nwere, ka o si bụrụeziokwu karịa, gbasara agbụrụ Igbo n'ụzọ pụrụ iche.

Dika e si enwe uto na mmadụ, nakwa dịka mmadụ sikwa eme ka ihe enweghi ndụ too, etu ahụkwa ka ewumewu na njirimara agbụrụ na omume ndị otu agbụrụ si eto. Kaosiladị, ụdị uto nke a na-ekwu ebe a abụghị uto n'ụdị ito ogologo, maọbụ ịgbatị ihe ka ọ dị ogologo, kama nke mgbanwe n'ụdị uto ntochi maọbụ n'ụdị ezi mgbanwe n'ụdị ịkawanye mma, na ịgawanye n'ihunke agbụrụ. Yaa bụ uto n'ụdị ime ka njirimara agbụrụ kawanye mma.

> Identity maybe defined as a combination of socio cultural characteristics which individuals share, or are presumed to share, with others on the basis of which one group may be distinguished from others. Identity is a group concept in the sense that it is based on traits which make individuals members of a group; such traits also provide responses to the question, "Who am I" identity has a combination of ethnic, religious, gender, class and other layers, all of which refer to the same persom either in self-definition or as defined by others.[2]

Ihe pụtara ihe na nkowa nke a, bụ na e nwere ihe ụfọdụ jikọtara agbụrụ, na njirimara dịka e si akọwa ya ebe a. Na nkọwa nke a, e nwereike ịchọpụta na mmadụ na agbụrụ nwere njirimara nke ha dị iche iche, mana dịka e si eji ete eje be nkwụ, site na mmekọrịta nke mmadụ na ibe ya ka mmadụ si aga n'ihu, matakwa onye ya onwe ya bụ n'ime agbụrụ ya. Sitekwa na ndị mmadụ ịmata onwe ha n'ime agbụrụ ha, ka onye ọbụla si amata onwe ya, njirimara ya, na ihe ndị ọ pụrụ ime na ndụ. Ọ bụ sitekwa n'ọnọdụ ahụ, ka ya ka agbụrụ ọ bụ otu onye n'ime ha, si amata ihe gbasara ekpemekpe, ihe ọbụ, ogo ihe gbasara ya onwe ya, na ogo ọnọdụ ọ na-aghọta onwe ya ọ nọ na ya, maọbụ ihe ndị ọzọ na-ewe na ya onwe ya bụ.

**Uto Ntochi Kwesiri Ibido na Nwata**

E nwere ihe ụfọdụ a na-esi n'uto elegaraanya. Yaa bụ, e nwere ihe ụfọdụ ga na-eso uto aga. Ụfọdụ n'ime ihe ndị a gụnyere mgbanwe, olileanya, ọgụgụisi, ihe mmadụ na-eto eto bụ, maọbụ ihe a na-eme ka o too uto ga-abụ, tupu nka na ọnwụ abịa n'ikpeazụ. Mana n'etiti ọmụmụ na ọnwụ, e nwere ihe ụfọdụ a na-ele anya ga-apụta ihe siten'ihe na-eto eto, maọbụ site n'ihe e mere ka ọ na-eto eto. Ọ bụrụ mmadụ, a na-ele anya na a mụọ mmadụ, onye ahụ bụbu nwa ga-emechaa bụrụ nwata, onye ahụ bụbu nwata ga-emechaa gbanwee site na nwatakịrị bụrụ ntorobịa. 'The word "child" has multiple meanings, including a young person, an unborn person, or a person in relation to a parent.'[3] Mana n'ịkọwadayan'ụzọ o siga-akawanyemfenghọta, "A child is a young person, usually from birth to puberty."[4]

Ọ bụeziokwuna a kpọghịuto aha ebe a, mana nkọwayana-egosinautodịn'ihe a na-ekwumakaya.Nwatana-esitenanwatarutenanke a na-akpọ adọlesent, tupu ọ bụrụ ntorobịa. "Adolescence is usually associated with the <u>teenage</u> years but its physical, psychological or cultural expressions may begin earlier or end later."[5]

Etu a ka mgbanwe ga-adịgide na mmadụ were ruo na onye ahụ abụrụ agadi. Ọtụtụ ihe na-eme na mmadụ, na-emekwa ọtụtụ ihe ndị ọzọabụghị mmadụ nwere ndụ. Ihe ndị na-eme mmadụ abụghị ihe ndị a na-ekwu maka ha ebe a ugbua, kama ihe ndị mmadụ na-eme ga tupu njedewe nke ndụ ya. Ọ bụ ihe ndị a ka e ji akọwa mmadụ ka ọ dị ndụ, nakwa ka e ji akọwa ndụ onye ahụ oge ọ nwụrụ anwụ. Ihe ndị a ka na-akpọ *njirimara* mmadụ.

Kaosiladị njirimara abụghị ihe e ji ama naanị mmadụ. Njirimara bụ ihe pụtara ihe e ji ama mmadụ, agbụrụ maọbụ obodo dgz. Njirimara bụ ihe ndị ọ ga-abụ mmadụ na-eme omume n'ebe ala mba obula dị, a mara agbụrụ onye ahụ si n'ihi omume ya. Mmadụ nakwa eme omume ebe ndị obodo dị iche iche nwere ọgbakọ, ọ na-adị mfe ịchọpụta obodo onye ahụ si site n'omume ya. E nwekwaraike ịma ezinaụlọ mmadụ si pụta, ma ndị niile si otu obodo zukọọ otu ebe, n'ihi omume ndị ezinaụlọ onye ahụ na-eme.

OWIJOPPA VOL. 9, NO. 2, 2025 ISSN: (ONLINE): 2630 – 7057; ISSN: (PRINT): 2630 - 7049

Nigeria bụ otu n'ime ala mba niile e nwere n'Afrịka. Ala Nigeria nwekwara otutu agbụrụ n'ime ya, nke agbụrụ Igbo so na nke kacha agbụrụ ndị ọzọ.

> Here in Nigeria the Igbo stand far above every other group in population. They are found in great number within every nook and corners of the country. Yet within their own geographical area there exist thousands of autonomous towns or communities. [6]

N'ụdị ịgbakwụnye ihe na nke a, Chinagọrọm chọpụtara na ndị Igbo buru ibu nke na:

> Ha juputara n'agbata latitudu 5 na 8 N'Ọwụwaanyanwụ Grinwichi n'akụkụ abụọ nke Osimiri Naịja, ọ kachakwa n'Ọwụwaanyanwụ. Ha bichiri n'obosaraala dịka 50,641 kilomita (15,800 *sqm*). Ndị gụnyere obodo ndị a na-akpọ Anịọma taa na Steet Delta, imerime obodo dị na Steeti Rivas na Bayelsa kụrụ gawakwa ọtụtụ ndị nọcha n'ebe a na-akpọbu Steeti Benue na ndị banyekwara na Steeti Krọs Riva na Akwa Ịbọm, gbakwụnyere Steeti Abịa, Anambra, Enugwu ma Imo.[7]

Nke a mere o ji dị mkpa na mmadụ ga-eche na agbụrụ Igbo ga-enwerịrị ihe ndị pụtara ihe e ji ama ya, nke ga-eme a ga-eji na-ama ya were na-aga. N'ezie ihe ndị ahụ e kwesiri iji na-ama ya bụ ihe ndị ahụ dị mma e kwesighi ka ha mehcaa kwụsị ịdịrị na-aga. Ọ bụ ihe ndị ahụ ka a na-akpọ **uto ntochi** (Identity). Yaa bụ ihe ndị bụ njirimara. Ihe Ọzọ dị mkpa gbasara mgbanwe ọbụla na-eme eme, maọbụ mgbanwe ọbụla a na-eme eme, maọbụ a na-enwe enwe bụ na e kwesiri ka e mee ya n'oge.

**Nsogbu A Naghịzi Enwe Uto Ntochi Na-ewetara Ala Igbo na Ụmụ Igbo Ugbua**

N'ala Igbo ọ bụrụ na a chọọ inuwe ewu, atụrụ, nkịta, n'ezie ụdị ihe enunu ọbụla, a na-eme ya n'oge anụmanụ a chọrọ inuwe ka dị obere, ka o were bido n'oge marawa ebe ọhụrụ e wegara ya, nakwa ka akụkụ ebe ahụ e wegara ya bido n'oge marawa ihe ahụ. Ọbụladị oge a na-asọkwunye obere akụkụ osisi n'ahụ otu ụdị osisi ahụ ọzọ nke ka mma, a na-eme ya oge alaka osisi ahụ nke a na-asọkwụnye n'ahụ osisi ọzọ akarụbeghi akarụ. Ya mere na ọ bụrụgodu mmadụ, a na-amalite n'oge kuziwere ya usoro echiche, omume, omenala nakwa ewumewu ndị obodo ya site n'okwu ọnụ na n'omume. Ọ bụrụkwa na a ga-edupu mmadụ na nwata ibi ebe ọzọ abụghị ebe nke a mụrụ ya, maọbụ duga ya bọyị maọbụ ịga gba odibo, a na-eme nke a n'oge tupu ọkpụkpụ ya na omume ya akachie, taakwa akị. “Children learn life long attitudes, values, habits and behaviours in relation to their sexes at this stage through the help of adults. Gender disparity is emphasised by the cultural roles assigned to women and men.”[8]Oke nsogbu a na-enwe bụ na ndị kwesiri ịkpachapụanya nye ụmụaka ga-abụ ndị nnọchịanya n'ọdịnihu ọzụzụ dịka ndị nne na nna, ndị okenye, ndị isi ụmụnna ga, ụmụada, Ọchịọha ganke obodo ọbụla (PGs),

anaghị elegara ụdị ihe a anya ka ihe dị mkpa omume:

> Values and norms, since the mid-nineteenth century, has been the collective name applied to the traditionalverbal materials and social rituals that have been handed down solely, or at least primarily, by word of mouth, and technically by example rather than in written form. It includes among others legend, fables, proverbs, myths traditional dances and forms of drama which are performed at holidays or at community gatherings.[9]

N'ụdị ịgbakwụnye ihe na nke a,

> A na-esikwa n'akụkọ nkọrịịkọ, na akụkọ ifo na-enyefe mmụta. Ha na-ejikwa akụkọ odogwu na-enyefe usoro obidindụ ha. Na na-esitezi h'ihe ndị dịka ilu, ụkabụilu, gwam gwam gwam, okwu ntụhị, nke a na-ekwu kwamgbe kwamgbe na-akụnye ya ndụ ụmụntakịrị ndị ga-esitekwa n'ụzọ dị otu a na-enyefezi ha ndị ọzọ. Ọ bụ ihe doro anya na usoro nyefezi a adịchaghị n'ụdị e wubere ewube mana ụmụ a mụrụ n'obodo na-esite n'usoro ndị a mara nke a ga-eme na nke na-agaghị eme. [10]

Ihe ndị ọzọ aghaghị ịdị mma ịgbakwụnye n'ihe ndị a e kwurula ebe a gụnyere ihe ndị dịka ichu mmiri, ịga lere mmọnwụ, ịga gba bọọlụ, egwuregwu ụmụaka, ịga be nnaochie/nneochie na be ndị nwadiala, nakwa be ndị ọgọ, iso ndị nne na nna ga ebe ụfọdụ dị mkpa asọghị ụmụaka, ịga ebe a na-eme ofufe, egwu ọnwa na ịga ozi ezinaụlọ. E nwere ike ọ dị ka a ga-asị na ihe ndị a adịghị mkpa n'ihi na a dịghị eweputa oge akụzi ha iche dịka ihe ọmụmụ, mana ha pụrụ iche ma dịkwa iche n'onwe ha n'ime ọzụzụ mmadụ. A naghị eweputa oge agụ ha ka akwụkwọ, mana ha na-edebanye n'ime ụmụaka a zụnyere ha n'ime ha, were bụrụzie ihe ndị ọ ga-abụ oge ụmụaka tochiri ndị okenye, ọ dịịrị ha mfe ịkụziri ndị nke ha ga-abụrụ okenye na aka nke ha oge ha ga-anwụcha. Onye chọrọ ịmata ụfọdụ ihe dị iche n'ụmụaka a mụrụ n'ime obodo, na ndị a mụrụ n'ofesi, ya si n'ihe ndị a tulee ha.

Ihe ndị a abụghị naanị usoro omume, kama usoro nke ndụ, n'ihi na ọtụtụ ihe ndị a bụ ihe ndị metụtara mmekọrịta ndị okenye na ụmụaka, ụmụaka na ibe ha, ụmụaka na ibe ha na ndị okenye, tinyekwara ndị agadi oge ụfọdụ; a naghị enwe ohere nwata ịnọ naanị ya ọtụtụ oge nke ga-enye ya ohere ịsị asị, ịghọ aghụghọ, aka ntụtụ, ohi na ama, na ọtụtụ ihe ọjọọ ndị ọzọ mmadụ nwereike ime oge ọ na-anọkarị naanị ya. N'ụzọ dị etu ahụ a ga, na-enwekwarị agwa ọma karịa agwa ọjọọ.

Ka ụmụaka na-amụta agwa ọma karịa agwa ọjọọ, site mmekọrịta nke ha na ndị okenye, ndị agadi nakwa obodo, ka a ga-ebu n'uche ihe bụ ịbụ dịka nwoke maọbụ nwanyị, burukwa n'uche ka ume ha ha, ka ike ha ha, ka ụbụrụ ha ha, ka ha sikwa dị uchu. N'ihi ya, e nwereike isi etu a lebanye anya n'ihe ụfọdụ ndị bụ uto ntochi na ihe ndị abụghị uto ntochi dịka e si ahụta ha n'oge ugbua.

OWIJOPPA VOL. 9, NO. 2, 2025 ISSN: (ONLINE): 2630 – 7057; ISSN: (PRINT): 2630 - 7049

**Ihe Ndị bụ Uto Ntochi na ndị Abụghị**

| *Ọnụọgu.* | *Ihe ndị bụ uto ntochi* | *Ihe ndị abụghị uto ntochi* | *Echiche* |
|---|---|---|---|
| 2. | Ịtụ egwu igbu ọchụ dị. | Anaghịzi ekele mmadụ ekele maọbụ jụọ ọha dịka ụmụigbo | N'oge gboo ụmụaka na-ekele ndị tọrọ ha, mana ugbua ọ naghị adịzi mfe etu ahụ ọ dị na mbụ. Ọzọkwa, n'ihi na ndụ ndị Igbo bụ ndụ mmekọrịta, ekele ndị Igbo na-abụ n'ụdị ịjụ ọha. Mana n'oge ugbua, mmadụ kaa obi sị ibe ya good morning maọbụ ụtụọma, ọ gbalịala. |
| 1 | Ikele ekele na ịjụ ọha | Igbu mmadụ abụghị ihe ọbụla oge ugbua. | N'oge gboo onye gbuo mmadụ, ọ gbaa ọsọ ọchụ. E kwenyere na onye gbuo mmadụ, onye o gburu achụgharịwa ya ka ọ bọrọ ụgwọ.Mana ọ dịghịzi etu ahụ oge ugbua. Ụfọdụ ndị mmadụ kwenyekwara na a na-emechi ndị e gburu egbu anya ka ha hapụ ịbọ ọbọ n'oge ugbua. |
| 3. | Ịsị asị anaghị adị mfe, ọ kachasị n'ebe ndị chiri echichi nọ. | Ịsị asị abụghị ihe ọbụla ugbua. | N'oge gboo, otu n'ime ihe ndị bụ ugwu okenye na ndị agadi bụ ikwu eziokwu, ọ kachasị ndị chiri echichi. Mana ugbua, inwe aha n'obodo so n'ihe ndị na-enye ndị nọ n'ogo dị elu ohere ime mpụ na ịsị asị so ya. |

| *Ọnụọgu.* | *Ihe ndị bụ uto ntochi* | *Ihe ndị abụghị uto ntochi* | *Echiche* |
|---|---|---|---|
| 4. | Ụmụaka na-eṅomi agwa ọtụtụ ndị okenye | Ndị okenye kwesiri nṅome dịzi olenaole oge ugbua. | N'ihi enweghizi ọtụtụ ndị okenye kwesiri nṅomi, ndị okenye apụghịzi idu ndị nọ n'okpuru ha, nke mere ka ha na ndị ha kwesiri ịdị na edu,bụrụzie otu ihe. Nke a meziri ka ọ dị ka ndị nọ n'ala ha na-adagbuzi ndị nọ n'elu. |
| 5. | A na-enwe oge dị iche iche, na mmemme dị iche iche nke omenala Igbo,dịka ịwa Ii, ikuputa nwa, ịwa akwa, itipụta mmọnwụ dgz. | Anazighi enwe nchịkọta mmemme dị iche iche, ndị e ji mara ndị Igbo n'ọtụtụ obodo n'ala Igbo. | Ndị okenye, ndị ndu ọdịnala, ndị igwe na ndị aka na-achị obodo (PG), anaghị ahụzi mmemme na ewumewu ndị e ji mara ndị Igbo ka ihe dị mkpa, n'ihi ndọrọndọrọ na aghọtaghị ihe bụ ewumewu, omenala na ọdịbendị. Naanị ebe uche ha dịzi bụ n'ịchụ ego na ndọrọndọrọ ọchịchị. |
| 6. | Ọtụtụ mmadụ, ezinaụlọ, obodo, ọbụladị ala Igbo nwegara ihe e ji mara ha | Ọ na-esizi ike inwe ihe e ji ama mmadụ, ezinaụlọ maọbụ obodo ugbua | Iji me ka nke a dowanye anya, e kwesiri ịjụ mmadụ ole na-egbu ichi n'Ụmụdiọka ugbua, mmadụ ole na-akpụ ogene n'Ọka ugbua, kedu ka e si esi nnu nnu (ọkụ) n'Ebonyi ugbua dgz.? Naanị ihe pụtara ihe bụ na e nwere ihe e ji mara ndị oge gara aga. |

OWIJOPPA VOL. 9, NO. 2, 2025 ISSN: (ONLINE): 2630 – 7057; ISSN: (PRINT): 2630 - 7049

| *Ọnụọgu.* | *Ihe ndị bụ uto ntochi* | *Ihe ndị abụghị uto ntochi* | *Echiche* |
|---|---|---|---|
| 7. | Uto ntochi nwegara ebede/obobo/ ama ezumezu | A naghịzi enwe ebede/obodo/ama ezumezu | N'oge gboo, a na-enwega ebede (nke ụfọdụ na-akpọ obodo maọbụ ama ezumezu). Ebe a bụ ebe a na-ahụkarị n'ukwu osisi ukwu. A na-enwe ebede n'ogbe n'ogbe, n'agbataobi, n'agbataobi, maọbụkwanụ n'ụmụnna n'ụmụnna. Ebede na-abụkarị n'ukwu nnkwu osisi dịka ukwu ọjị, ukwu ngwu, ugiri maọbụ otu n'ime nnukwu osisi ndị bụ ọkaibe osisi n'ala Igbo. Ọtụtụ ebede na-enwekwa nkwago na oche ndị e ji ogweosisi rụ, n'ihi na ha adịghị ka ụlọezumezu ndị a na-ewu ugbua, kpọọ ha town hall, village hall, maọbụ ụmụnna hall, na-agbachikwa ha agbachi ọtụtụ oge. N'ebede ka a na-anọ eme nzukọ, nara ikuku dịka chi si ke ya, mee ihe egwuregwu ọtụtụ oge. Ọbụladị ụmụaka na otu ọbụla nwereike ịga ebe ahụ nọrịa oge ọ dị ha mkpa. |
| 8. | Ụmụaka na-abụ nwa ọha na obi ọha. | A naghịzi enwe Nwa ọha na Obi ọha (ọ na-esikwazị ike ihụ ndị a na-agụ Adaọra, Nwaọra maọbụ Obiọra dịka aha) | N'oge gboo, ndị Igbo ghọtara na nwata abụghị nnanị nke nne na nna. Ya mere na ha na-esikwa n'aha ha na-agụ ụfọdụ ụmụaka ha na-egosi nke a. Nke ọzọ were bụrụ na onye ọbụla na-etinye aka n'ịzụ nwatakịrị ọbụla, na ịgbaziri nwatakịrị ọbụla, n'ihina nwata ọbụla bụ nwa ọha, makana ọ dị mma, ọ dịịrị obodo ya, dịịrị mmadụ niile. Mana oge ugbua, ndị mmadụ na-ezochi ụmụ ha n'ihi ize ndụ na asịrị. Ụfọdụ bụ n'ihi ogo ezinaụlọ dị, maọbụ n'ihi akụkụ obodo nke ha bi, bụ ihe ndị so eme ka mmekọrịta mmadụ na ibe ha na-agba akaekpe. |

| Ọnụọgu. | Ihe ndị bụ uto ntochi | Ihe ndị abụghị uto ntochi | Echiche |
|---|---|---|---|
| 9. | A na-enweọtụtụ ihe ndị na-ejikọ mmadụ na ibe ya, mmadụ na ogbe, ogbe na ogbe, obodo na obodo (dịka inuwe ihe enunu, ịga gụta ọkụ, ịga na nkụ, ishi mmanya, ịrụkọ ọrụ ugbo ọnụ, ịgakọ na nkụ ọnụ), ịga oku. | E nweghizi ihe ụfọdụ ndị na-ejikọ mmadụ na ibe ya, mmadụ na ogbe, ogbe na ogbe, obodo na obodo (dịka inuwe ihe enunu, ịga gụta ọkụ, ịga na nkụ, ishi mmanya, ịrụkọ ọrụ ugbo ọnụ, ịgakọ na nkụ ọnụ) ịga oku. | Dịka e si ekwu okwu sị, ọdịbendị dịịrị ndị. N'ihi ya e nwere ọtụtụ n'ihe ndị e depụtara ebe a,ọ bụghị obodo nille e nwere n'ala Igbo na-eme. Mana onye Igbo ọbụla kwesiri ịmata ụfọdụ n'ime ihe ndị a niile obodo nke ya na-eme. Mana n'oge gboo e nwere ụfọdụ n'ime ihe ndị a a na-eme n'akụkụ ala Igbo niile dịka ịga gụta ọkụ (n'agbataobi), ichukọ mmiri ọnụ, inuwe ihe enunu, ishi mmanya ebe onye ụmụnna na-eme emume, maọbụ ụmụnwanyị ịtụrụ nwanyị di ya na-eme emume ihe dịka garị, maọbụ akpụ, maọbụ ji, ndị otu ọgbọ imere onye otu ụgbọ ibe ha ihe n'oge ọ dị mkpa n'ụdị isusu. Mana ihe a na-enwezi oge ugbua bụ ihe e nwereike ịkpọ obu zọwa onwe ya. ụdị ihe ndị a adịchazighi ire, n'agbanyeghi na ọ bụ naanị ebe olenaole, na n'ime ime obodo ụfọdụ ka a na-eme ha oge ugbua. |

Ụfọdụ mmadụ nwereike iche na isi akwa ka dị n'ebe a rụnyere ya, ebe ụfọdụ nwereike na-eche na ọdịghịzi, na n'ezie na ihe a kpara n'ụga ahịa abụghịzi ihe a na-ahụ na ụla ahịa. N'ezie, ọ bụrụgodu ndị na-eche na ihe ka dị etu ọdịbu, yaa bụ n'ala Igbo na Ndị Igbo, na ihe ndị e ji mara ha mgbe gboo ka dị ka ha dịbu, ha kwesiri ịmata na e nweela ndaghachiazụ n'ọtụtụ ihe nke na Nwafọ Igbo pụrụ ịsị na Igbo bụ Igbo bụzi naanị n'ọnụ, n'ihi na Igbo bụ Igbo eriela mperi dịka e si depụta ya na ndịiche dị n'etiti uto ntochi na e nweghi uto ntochi. N'ihi ya ajụjụ nke mbụ were bụrụ, gịnị mere na a naghị enwezi uto ntochi? Ajụjụ nke abụọ were bụrụ gịnị ka a ga-eme?

**Gịnị Mere na A Naghị Enwezi Uto Ntochi?**

N'ịza ajụjụ a, a chọpụtara na,

> Many Nigerians felt that British colonization caused a lot of problems to the political culture and economy of the Nigerian society. The imperialism of 18th and 19th centuries was different

> from the 15th and 16th centuries European exploitations; in these centuries, the europeans did not penetrate into Asian and African societies to conquer them nor had influence over the people. But during the 18th and 19th centuries' imperialism, they influenced the econiomic, cultural, political and social lives of the Nigerian and the Chinese societies. And their major interest was to control and force the colonized countries to adopt their western cultures and traditions.[11]

Ụdị echiche ọtụtụ ndị Naijirịa nwere gbasara ndị Briten, na etu ha sirila jichi ha bụ ndị Naijirịa, bụ ụdị echiche ụmụ Igbo na-echekwa gbasara otu ndị ahụ, na ndị ala mba ụfọdụ ndị ọzọ ga. Ọ bụrụrị na nke a bụ eziokwu, ọ bụchaghị, n'ihi na e nwere ọtụtụ nlegharaanya na ọ gbasaghị m ndị Igbo na-enwe n'imeso ihe gbasara onwe ha, ala Igbo, omenala na asụsụ ha. Ọzọ, ọ bụrụ na a sị na ọ bụ ọbịbịa ndị Briten bịara ghasasịrị nhazi, usoro ọchịchị, usoro mkpata na mmefu na ihe ndị ọzọ e nwere na Naijirịa, n'agụpụghị ndị Igbo, e nwereike ikwu na njepu ọtụtụ ụmụ Igbo malitere jepuwe n'onwe ha na mba ndị Briten, Amerika, na n'ala mba ndị ọzọ kacha ewetara ụmụ Igbo na ala Igbo anaghịzi enwe uto ntochi. Nke a bụ na ọ bụ ka mmadụ na-apụ, ka ọ na-echefu ebe o si apụ, n'ihi na ọ bụ n'ihu n'ihu ka oke enwe na-ama; ụfọdụ ụmụ Igbo sirila n'ala Igbo na n'ala Naijirịa were pụọ gaa ịchụ nta ego, gara birizie n'ala mba ndị ahụ ego ha na-achụ na-achụga ha. Ụfọdụ ehiwela ezinaụlọ ha ebe ndị ahụ ha garala, ụfọdụ enweela ụlọ ebe ndị ahụ, na-asụkwa asụsụ ala mba ndị ahụ, ndị n'ime ha siri ebe ndị ahụ lọta, maọbụ na-alọta, na-agbalị ime ka ndị Igbo, na-emeghasizi ihe emeghasị. Mkpọrọgwụ ihe ndị a niile bụ oke ọchịchọ, mkpafụ na amaghị na a naghị asọpụrụ omenala na asụsụ Igbo.Nke a mezirina**:**

> Na nlebaru anya n'omenala Igbo ọ dị mkpa ikwuwapụta na o nwegasịrị agwa ụfọdụ nke ndị batagasịrị na ndụ ndị Igbo ndị na-anabataghị dịka omenala kama a hụtara ha dịka emume na omume batagasịrị ndụ ha ndị gwakọtaziri n'ime omenala dịzi ka ha ọ bịara ịgbarụ mmiri nke anyị na-ewere dịka ihe ndị na-ekwesighi ịdịzi dịka ndụ ndịIgbo.[12]

Ya mere ọ gaghị atụ n'anya na n'oge ugbua, ọtụtụ ụmụ Igbo hapụziri omenala na-eme ihe ndị ha aghọtaghị dịka:

- Nwanyị iti mmọnwụ maọbụ na-eso mmọnwụ

ị

- hazi alụm dị na nwunye n'obodo ndị abụghị ala Igbo

Ị

- kwafu ọbara n'ụdị Igbo mmadụ

Ị

- gwọ ajọ ọgwụ

Ị

- kpa ego n'ụzọ ezighi ezi

- Ike ụdị ekike ndị a naghị enye mmadụ ugwu n'ogo onye ahụ nọ n'obodo
- Mmadụ anaghị akwanyere onwe ya ugwu n'ihu ndị nọ n'okpuru ya
- Mmadụ anaghị eru obodo ya, maọbụ ịnọte aka n'ofesi n'erughi obodo ya
- Ndị Igwe/eze anaghị arụ ọrụ ihazi na ichekwawa omenala na ọdịbendị
- Ndị Ọchịchị obodo ga (PGs) anaghị elebanye anya n'ihe gbasara uto ntochi na ndaghachi azụ ya nke ga-eme ka ha na ndị igwe/eze obodo ga hazie ọnọdụ maka ya
- Ilelị asụsụ Igbo nke ọ bụ ya ka e kwesiri iji na-ebugo omenala na ọdịbendị
- Nne na nna anaghịagbaziri na anaghị akụziri ụmụaka ha ezi ụkpụrụ na-eweta uto ntochi
- Dgz.

**Gịnịzi ka A Ga-eme?**

Ndị ghọtara ka nsogbu enweghi uto ntochi si gba afụọnụ ka oke mkpi ma jọkwa njọ ka ụsụ, ghọtara na ajọ ọnọdụ a eriala nwa afọ Igbo ọbụla na ụmụ Igbo niile oke nri n'ahụ, a ghachị ịmatakwa na e gbubie zokwụwa, ọ naghị ezuchazi. N'echiche nke Chinagọrọm:

> Ka anyị siri kwuputa na mmadụ bụ ihe gbagọrọ agbagọ, na-etokwa, nakwa adala adala, nakwa agbanwo agbanwo, na-etinyekwa etinye, anyị aghaghị ikwuputa na omenala ihe niile gbasara mmadụ dị omimi dịkwa ụbara. Ọzọkwa ebe ọ bụ na mmadụ ezughi oke ihe niile banyere ya aghaghị ịnwekwa iri mpe.[13]

N'ezie ọ bụ oge ọtụtụ ụmụigbo chọpụtara ihe ndị dị oke mkpa a rụtụgara aka n'ederede a, ma lebanyewe ha anya ka ndụ ndụ onye Igbo, ụmụ Igbo, ọdịbendị ndị Igbo, ọdịnala, ndị Igbo omenala ha na ewumewu ha, ga-ebido wetawara ha uto ntochi, nke ga-eme ka ihe ndị a a kpọrọ aha dịwanye mma, were mezie ka agbụrụ Igbo bụrụwakwa ihe o kwesiri ịbụ. Ọ bụ ya kpatara isiokwu Odenigbo nke afọ a jiri na-ekwu maka Omenachukwu; mgbazi omenala Igbo Kaosiladị, a gaghị agba nkịtị ka ihe mebiri na-aga., n'ihina nke ahụ ga-adị ka mmadụ iji na ọkọ kọrọ ya kọpịa anya. Nke a mere aro ihe e nwereike ime ji dị mkpa n'ụdị:

- Ndị igwe/eze na ndị ọchịchị obodo (PGs), na ndị agadi ịdị na-enwe nzukọ obodo kwa mgbe kwa mgbe ịtụle etu a ga-esi kwalite uto ntochi.
- Asụsụ Igbo aghaghị ịbụ asụsụ onye ọbụla, ezinaụlọ ọbụla, ụmụnna, ogo niile obodo niile ga-eji na-eme ihe niile. Ịda nha kwesiri isote nke a etu kwesiri ekwesi
- Mmapụ maọbụ ịda nha kwesiri iso onye, maọbụ otu ọbụla gara me omenala Igbo pụrụ iche (dịka ime ego nwanyị) n'ofesi.
- A ghaghị ịdị na-achịkọwa asọmpi gbasara ihe ndị e ji mara ndị Igbo, omenala na asụsụ Igbo, ọtụtụ oge n'obodo ọbụla.

- A ghaghị iji akarangwa ga na ego were akwado onye ọbụla na-ewelite asụsụ Igbo, akaọrụ ndị Igbo, na ụdị ewumewu na ihe mmepụta ọbụla.
- Akwụkwọ anamchọọrụ (application) ọbụla a ga-ede maka ọrụ n'obodo na na gọọmenti n'ala Igbo ga-abụrịrị n'asụsụIgbo.

**Nchịkọta**

Dịka e si ekwu na Igbo na-asụ n'olu n'olu, ma a chịa ọchị ọ bụrụ ofu, okwu bụ uto ntochi nwereike bụrụ ihe ọzọ ka olu mba dị iche iche e nwere n'ala Igbo na-akpọ ya. Mana ihe dị mkpa bụ nkọwa ihe ọ bụ etu e si kọwa ya ebe a. Nke a pụtara na ihe na-ekwu maka ya ebe a bụ ihe na-eme eme ebe niile n'ala Igbo. Otu n'ime ihe ndị dị mkpa ebe a, bụ na e kpugheela uto ntochi ebe a, kọwakwa ya ka onye ọbụla natakwa ihe ọ bụ. N'aka nke ọzọ, a kọwakwaala ya ka nwa afọ Igbo ọbụla matakwa na a naghị enwezi uto ntochi oge ugbua dị ka obere arụ, maọbụ ọdachi nke na-adabido ndị Igbo. Mana ihe dị mkpa bụ nwa afọ Igbo ọbụla ịma etu ọ ga-esi tinye aka iji hụ na e bidokwara haziwe ihe niile ka a mata etu e nwereike isi hụ na ihe mebirila emebi nwereike ịbụ ihe ndị a ga-agbazikwa etu e nwereike, dịka ederede a sirila tụnye ụtụ nke ya gbasaraihe ndị a ga-eme eme iji were dozikwa ihe ụfọdụ mebirila emebi. Echiche edemede a, ezughi. E nwereike itinyekwa ọtụtụ echiche ndị ọzọ kwesiri ekwesi. Mana naanị echiche ezuchaghị, ma ọ bụrụ na e tinyeghi ihe e cheere eche n'omume, nke ọ bụ ndị na-chịkwa ala Igbo ga-abụ ndị mbụ.

**Edemsibịa**

Aborishade Olasunkanmi & Oyekunle Oluwayenmisi Adegboyega (2021). Philosophical Ethnic Identity and Costitutional Representative governance in Nigeria. in *Oracle of Wisdom Journal of Philosophy and Public Affairs OWIJOPPA* Vol. 5, No. 2, 2021)

Alubo, O. (2009), *Citizenship and Identity Politics in Nigeria*, in Conference Preceedings on Citizenship and Identity Politics in Ngieria. CLEEN Foundation, Lagos, 1-4

[https://www.google.com/search?client=firefox-b-e&q=child&sei=TQvUZ4SPGYizhbIPz_HnsA8] Accessed 16/03/2025

https://www.google.com/search?client=firefox-b-e&q=child&sei=TQvUZ4SPGYizhbIPz_HnsA8 Accessed 16/03/2025

https://en.wikipedia.org/wiki/Adolescence Accessed 16/03/2025

Uche P. Ikeanyibe (199). *The Quest for the Origin of Igbo People.* Benin City: Maranatha Publishers., 11-12

Chinagọrọm, L. C., (2013). *Uru Eziaka Nka n'Agụmagụ Igbo Ugbua.* Owerri: I-O Publishers, 3.

Lilian Nwanneka Onwuka, Early Childhood Education.*A Tool for Gender and Sustainable Development*. in A. B. C. Chiegboka, T.C. Uto-Ezeajughhi, M.S. Ogene (Eds.). The Humanities and Sustainable Development. Anambra: Rex Charles & Patrick Ltd., Booksmith House, Harmony Place, Nimo., 2011, p.805

Abrams, 63 quoted by Gladys Ifeoma Udechukwu. *Igbo Traditional Education and Good Governance*. in A. B. C. Chiegboka, T.C. Uto-Ezeajughhi, M.S. Ogene, N.C. Oguno, K.L. Nwadialor. The Humanities and Sustainable Development. Anambra: Rex Charles &

Patrick Ltd., Booksmith House, Harmony Place, Nimo., 2011, p. 812
Longinus C. Chinagọrọm (2019). *Omenachukwu:Mgbazi omenala Igbo.* N'ime Odenigbo Lecture. Imo State: Villa Assumpta Press, 39
Ifeoma Odinye & Ifeanyi Odinye, *The Effects of and Impacts of Western Imperialism on China & Nigeria*. in A. B. C. Chiegboka, T.C. Uto-Ezeajughhi, M.S. Ogene (Eds.). The Humanities and Sustainable Development. Anambra: Rex Charles & Patrick Ltd., Booksmith House, Harmony Place, Nimo., p. 16, 2011
Longinus C. Chinagọrọm (2019). *Omenachukwu*:*Mgbazi omenala Igbo.* N'ime Odenigbo Lecture. Imo State: Villa Assumpta Press, 42-43
Longinus C. Chinagọrọm (2019). Omenachukwu: *Mgbazi omenala Igbo.* N'ime Odenigbo Lecture. Imo State: Villa Assumpta Press, 46